# MPỤTAÌHÈ CHINEKE N'UGWU SAINAI

## Ọpupu 19:1-25; Ndi Hibru 12:18-25

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 60 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Lezienu anya ka unu ghara iju onye ahu nēkwu okwu" (Ndi Hibru 12:25).**

**Sainai**

Ụmụ Israel abịaruwo n'ọzara Sainai. Ebe a abụghị ebe Moses náamaghị, n'ihi na ọ bụ n'ebe a ka ọ nọrị náeche igwèatụrụ nna nwunye ya n'oge ahụ ọ bụ onye gbapụrụagbapụ site n'Ijipt. Ọ bụ n'Ugwu Horeb ka Chineke si gwa Moses okwu site n'ọhịa ahụ náereọkụ wee nye ya ọlụ nke ịlaghachị n'Ijipt idupụta ndị Ya arọpụtara. Ugwu Horeb bụ ọtụtụ ugwu dịkọtara n'otù ebe nke Sainai bụ kwa nke kachasị elu, ma enwereike ịkpọ nke ọ bụla aha ibe ya. Ụmụ Israel gaje ịma ụlọikwu ha n'ebe a ihe dịka otù arọ, ọ bụ kwa n'ebe a ka ụfọdụ nime ihe dịkarịsịrị nsọpụrụ nke dị kwa elu nime akụkọ Baịbụl mezuru. N'ebe a ka Chineke nyere Iwu iri ahụ.

Chineke agwawo Moses okwu ọtụtụ mgbe, site n'ogidi igweojii ahụ nọgidere n'elu ugwu ahụ dịka apụrụ ịhụ ya, Moses wee rịgoo ya na Chineke ịkparịtaụkà. Anyị naagụ ihe banyere Moses n'ọgwụgwụ ndụ ya; "Ọ digh kwa onye amuma biliri ọzọ n'Israel dika Moses, onye Jehova mara iru na iru" (Deuteronomi 34:10). Lee ụdị ngọzi niile dị ebube Moses natara n'ihi na o biri ndụ ya niile náánị ime ihe dị Chineke mma!

**N'elu Nkù Ugo**

Jehova gwara Moses ka o chetara Ụmụ Israel banyere ihe ịrịbaàmà niile nke ha hụrụ nke O mere n'Ijipt, O chetakwara ha otú Ya Onweya si buru ha dịka n'elu nkù ugo. Mgbe nne ugo naezi ụmụ ya otú esi efeufé, ọ naesi n'akwụ ya nupu ha iji mee ka ha jiri nkù ha feeufé. Ma ọ bụrụ nwaugo ahụ apụghị ifé n'onweya, maọbụ nọdụ n'ihe egwù nke itigbu onweya n'elu nkume, nne ya gaabịa n'okpuru ya, wee bulie ya elu ọzọ n'elu nkù ya jee ebe dị elu karịa ịmalite kwa ọzọ. N'ụzọ dị otú a ka Chineke na ebuli ndị Ya, wee wezuga ha ná mmekpaarụ̀. Ọ dọrọwo ha nye Onweya, ịbụ ndị pụrụ iche. Otú a ka ịhụn'anya O nwere n'ebe ha nọ si dị ukwuu náagbanyeghị ntamù niile ha naatamù. Ma Ọ naachọsiike ka ha hụ́ Ya n'anya!

Chineke gwara Moses na ọ bụrụ na ndị Israel gaerubere Ya isi, na ha gaabụrụ Ya ihe nke aka Ya dị óké ọnụahịa bụ ihe ahụ baara anyị óké urù, ihe ahụ anyị hụrụ n'anya nke ukwuu náelezi kwa ya anya nkeọma. Nke a bụ uche Chineke chere banyere Ụmụ Israel. Ọ bụ Onye kèrè ụwa na ihe niile dị nime ya, tinyere mmadụ niile; ma Ọ gaje igosi iruọma pụrụ iche n'arụ ndị ahụ nke Ya Onweya rọpụtaworo ibu aha Ya. Ọ chọrọ ka ha bụrụ mba dị nsọ, na ndị nchụàjà (Ọpupu 19:6). Anyị gaahụ́ ha dapụrụ n'ụzọ jọrọnjọ, n'ibi ndụ ha dịka O si chọọ; ma site n'Ọbara Jisọs anyị pụrụ imezu uche Chineke wee ghọọ ndị nchụàjà ndị bụ kwa eze, nye Chineke (I Pita 2:5).

**Mkwà Ekwere Ngwangwa**

Moses si n'ugwu rịdata wee gwa ndị ahụ ihe Chineke kwuru. Mkwà ahụ niile nke Chineke kwere wee daa nkeọma ná ntị ha; ha chọrọ ịnata ngọzi ahụ nke Chineke kwuru banyere ya. Ha wee kwee mkwà ngwangwa na ha gaeme ihe niile Chineke chọrọ , ma ha eguzoghị chee échìchè ihe ọ pụtara bụ́ ime uche Chineke. N'oge náadịghị anya site na mgbe eziri ha ebube Ya, ha wee chefue ihe niile banyere Jehova. Solomon, bụ́ onye nwere amamihe karịa mmadụ niile n'ụwa, kwuru sị, "Ọ di nma ka i ghara ikwe nkwa, kari ikwe nkwa ma i digh-akwughachi" (Eklisiastis 5:5). Ha kwere mkwà ime ihe Chineke chọrọ ma ngwangwa ha laghachịrị àzụ̀ site ná mkwà ha niile.

Chineke naenye anyị ọbụná karịa ka O kwere ndị Israel ná mkwà, ma Ọ naachọ náánị ihe ntà n'aka anyị ná mkwụghachị; ma ọ dị náánị mmadụ olenaole ndị náachọ ime ihe niile Chineke chọrọ, ka ha wee ná enwe ihe ụtọ na ngọzi Ya niile!

Moses laghachịrị n'ugwu, ụbọchi náesoni wee gwa Chineke na Ụmụ Israel ekwewo mkwà ime ihe niile O kwuru.

**Olu Chineke**

Ugbu a Chineke naagwa Moses, n'ebe ọ dị ntà banyere ihe ahụ dị ebube nke gaje ime. N'ụbọchị nke atọ Ọ gaje isi n'igweojii ahụ nke gbara óké ọchịchịrị gwa Moses okwu, n'ụdị onye ọ bụla gaanụ. Ha agaghị enweike inwe ihe ngọpụ na ọ bụghị Chineke zitere Moses, na ọ maghị kwa ihe karịa ha. Ha gaesi n'igweojii ahụ nụ Olu ahụ, ma ọ dịghị onye ha gaahụ́.

Chee otú obi gaadịworị ndị ahụ mgbe ha naeje n'iru Jehova! Moses tụziiri ha aka ka ha debe onweha ọcha, sụọ kwa uwe mgbokwasị ha. Ha kwesịrị ịdị ọcha mgbe ha naabịaru n'iru Chineke nke ụwa niile. Mgbe onye ọ bụla bịara n'iru Chineke, ọ pụghị ikpuchi mmehie ya ọ bụla. Ọ bụrụ na ọ chọrọ ọ̀zịzá ekpere ya niile, ọ gaebu ụzọ kwupụta mmehie ya niile, agaagbaghara ya, mgbe ahụ ọ pụrụ ịrịọ Chineke ihe dị ukwuu karịa. Ọsịsá uwe nke anaekwu n'ebe a bụ ụdị ọ̀sịsá nke imemmụọ anyị mgbe Ọbara Jisọs naekpuchi mmehie anyị niile.

Enyere ndịa ụbọchị atọ ijikere onweha, mgbe ahụ ha ga ezukọta n'ala ugwu ahụ ịña Chineke ntị.

**Iri Ụbọchị Ise Mgbe Ngabiga ahụ Gasịrị**

O ruwo ọnwa atọ ugbu a site na mgbe ndị Israel rapụsịrị Ijipt. Ụfọdụ kweere na mgbe Akwụkwọnsọ kwuru "n'ụbọchị ahu" na ọ naekwu banyere ụbọchị mbụ nke ọnwa ahụ. Ọ bụrụ otú a, otù ụbọchị ka Moses ji rịgoo n'elu ugwu wee laghachị, ụbọchị nke ọzọ ka o ji weghachiri Chineke ọ̀zízá nke ndị ahụ, ụbọchị náesoni gaemezu ya iri ụbọchị ise site na mgbe emesịrị Ngabiga.

Mgbe emesịrị ka ụzọ nke ndị Israel gaesi náebi ndụ ha guzosieike, ha gaje ime ụzọ ememe atọ: Ngabiga n'ụbọchị nke irinaanọ nke ọnwa mbụ; Ememe nke izù, nke anaeme otù izù nke ọtụtụ izù (izù asaa) mgbe Ngabiga gasịrị; na Ememe Ụlọntù nke anaeme n'ọgwụgwụ arọ. Ememe nke izù (bụ́ nke ememe iri ụbọchị ise mgbe Ngabiga gasịrị) ka anaakpọ Pentikọst na Testament Ọhụụ, ọ bụ kwa n'ụbọchị ahụ ka Mmụọ Nsọ dakwasịrị otù narị mmadụ na iri abụọ ahụ n'ụlọ elu ahụ, iri ụbọchị ise mgbe Jisọs nwụsịrị dịka Nwaatụrụ Ngabiga anyị. Ụfọdụ naekwenye na Ememe Izù ka anaedebe iji cheta mgbe enyere Iwu (Deuteronomi 16:9-12).

**Ugwu nke Réré Ọkụ**

Óké ụbọchị ahụ wee bịa. Mmadụ niile wee zukọta n'alaala ugwu ahụ. Chineke enyewo Moses iwu ka ọ kpaa ókè ka ọ ghara ịdị onye ọ bụla nime ndị ahụ nke gaesite n'ịchọ ka ọ mata maọbụ ịwáanya bịarue nso, n'ihi na "asi na ọbụná anu-ulo emetu ugwu ahu agēwere nkume tugbue ya" (Ndi Hibru 12:20).

N'ụtụtụ ahụ óké imemkpọtụ dị n'elu ugwu ahụ, anwụrụọkụ naakwụlị elu. Égbèeluigwe naadasi kwa ụdà ike, ugwu ahụ niile wee naámá jijiji. Óké mkpọtụ nke ihe ekèrèekè naeme nke mere na ọbụná Moses n'onweya tụrụ egwù nke ukwuu. Emesịa opiike we náadasị ụ̀dà ike ogologo oge, nke Chineke n'Onweya maọbụ ndị mmụọozi náeso Ya naafụ. Ọ naadasị ụ̀dà ike náada karịa rue mgbe Moses gwara Chineke okwu. Jehova wee "jiri olu" zaghachị Moses, wee nye ya iwu ịrịgota n'ugwu ahụ. Ma Chineke ejikerèbeghị inye Iwu ahụ. Ọ maara otú Ụmụ Israel si bụrụ ndị náeme otú ọ masịrị ha, Ọ naatụ egwù na ha amataghị otú o si dị mkpà na ha agaghị abịaru nso ugwu ahụ. Ya mere na O zighachịrị Moses ịrịda jee dọọ ha akanántị ọzọ ka ha nọdụ n'ebe dị anya. Otú ọ dị mgbe ọ gaarịgo n'ugwu ahụ nke ugbò abụọ, ya na Eron gaeso jee, ka ya onweya wee nụ kwa mgbe Chineke naenye Iwu ahụ. Agaje ité Eron mmanụ na mgbe náadịghị anya ịbụ onye nchụ̀àjà, ọ dị mkpà na Chineke gaenye ya ike ọ gaeji nwee nsọpụrụ n'ebe ndị ahụ nọ.

Ndị ahụ tụrụ egwù nke ukwuu n'ihi égbèeluigwe na àmụ̀mà ahụ niile, ọkụ na anwụ̀rụ̀ọkụ, nke mere na ha wezugara onweha site n'ebe Chineke nọ. Ha wee gwa Moses ka o jee ka ya na Chineke kparịtaụkà, ka ọ gwa ha ihe iwu Ya niile bụ, "ma Chineke akpayerela ayi ukà, ka ayi wee ghara inwu."

**Ịhụn'anya Jisọs**

Taa, egwù ekwesịghị ịtụ anyị mgbe anyị naabịkute Jisọs. Ọ naesetipụ ogweaka ịhụn'anya Ya; Ọ nwụrụ ime ka obi Chineke jụrụ, wee meghepụ ụzọ anyị gaesi nweeike ịbà N'ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile. O mewo anyị bụ́ ndị asaworo n'Ọbara Jisọs, ndị òtù nke nzukọ ahụ nke ndị eburu ụzọ mụpụta ndị edewokwara aha ha n'akwụkwọ n'Eluigwe (Ndi Hibru 12:18-24). Ma ebe ọ bụ na Jisọs enyewo anyị ngọzi ndịa dị ebube nke si n'Eluigwe, anyị gaelezi anya ibi ndụ gaatọ Ya ụtọ, ma ọ bụghị otú a anyị gaabụ ndị kwesịrị ịnata ọbụná ahụhụ dị ukwuu karịa nke ndị Israel natara mgbe ha nupụụrụ Chineke isi.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ebe Ụmụ Israel mara ụlọikwu ha ugbu a?
2. Ò dị mgbe anyị nụworo banyere ebe a na mbụ?
3. Gịnị ka Chineke gwara Moses na Ọ gaje ime mgbe ndị Israel dosiworo onweha nsọ ụbọchị atọ?
4. Òlee otú Chineke si kwupụta mpụtaìhè Ya? Gịnị mere ụmụ Israel ji tụọ egwù?
5. Gịnị gaara eme ma ọ bụrụ na mmadụ maọbụ anụmanụ emetụ ugwu ahụ aka?